# ỌKÀ AHỤ NA ÁTÁ AHỤ NIILE

## Matiu 13:24-30, 36-43

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 76 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ buru na amugh madu ọzọ, ọ pugh ihu ala-eze Chineke anya" (Jọn 3:3).**

**Eze Ahụ Ekwere Ná Mkwà**

Nime ilu ndịa anyi naatụle, Jisọs gbalịrị ịkọwara ndị náesoụzọ Ya ihe Alaeze Eluigwe pụtara. Ha amawo ihe ụfọdụ dị icheiche nke ndịamụma dere, ma ghọta kwa na ekwere ha otù Eze ná mkwà onye gaabịa nápụta ha n'aka ndịiro ha; na Ọ gaachị kwa rue mgbe ebighịebi. Jeremaia edewo: "Le, ubọchi nābia, ọ bu ihe si n'ọnu JEHOVA puta, mgbe M'gēme ka Ihe-opupu nke nēme ezi-omume biliere Devid, otù Eze gābu kwa eze, ọ gēnwe kwa uche, me ihe ekpere n'ikpe na ezi omume n'ala nka" (Jeremaia 23:5).

Mgbe Jisọs bịara, ndị ahụ nwere anya imemmụọ ghọtara Ya na Ọ bụ Eze ahụ. Akwụkwọnsọ kọwara banyere Josef onye Arimatia, onye rịọrọ maka arụ Jisọs, na ya onweya "nēche kwa ala-eze Chineke" (Mak 15:43). Mgbe Nataniel zara òkù nke Jisọs, ọ sịrị: "Rabai, Gi onwe-Gi bu Ọkpara Chineke, Gi onwe-Gi bu Eze Israel" (Jọn 1:49). Jisọs gwara igwè mmadụ ahụ na amụma nke Zekaraia buru metụtara Ya: "Tegharia egwú ọnu nke-uku, gi ada Zaiọn, tie nkpu, gi ada Jerusalem: le eze-gi nābiakute-gi: onye ezi-omume na onye nwere nzọputa ka ọ bu, onye ewedara n'ala nke nānọkwasi kwa n'inyinya-ibu" (Zekaraia 9:9; Matiu 21:5). Ihe odide ahụ edere n'elu obe mgbe akpọgburu Jisọs kwuru sị: "ONYE A BU EZE NDI JU."

Site na nke a anyị ahụwo na Jisọs bụ̀ Eze, na ndị náesoụzọ Ya kwekwara n'okwu a. Ma eze aghaghị inwe alaeze; ma ndị náesoụzọ Kraist naagbalisịike ịchọpụta mgbe Ọ gaedozi alaeze Ya. Ha tụrụ anya na Ọ gaesite n'ụzọ dị ebube wee kwatue ọchịchị nke ndị Rom bụ́ nke ndị Israel nọ n'ịbụ orù ya n'ọtụtụ arọ garaaga, ma mee kwa ka ha bụrụ ndị ganaachị onwe ha na Palestine. Ha pụrụ ịná ahụ́ site nime obi ha mgbe Jisọs ga anọdụ n'ocheeze nke ụwa, na ha onweha gaanọ kwa n'ọkwá dị icheiche n'Alaeze Ya. Ọbụná mgbe Ọ naachọ ijé Jerusalem ebe agaakpọgide Ya n'obe, ha naarụrịtaụkà onye gaabụ onye dịkarịrị ukwuu n'Alaeze Ya, Ọ dị ka ha aghọtaghị na alaeze nke Chineke abụghị "oriri na ọñuñu; kama ọ bu ezi omume, na udo, na ọñu nime Mọ Nsọ" (Ndi Rom 14:17).

**Obi Ịdàmbà Nke Ndị Náesoụzọ Ya**

Mgbe Jisọs jiri otuto bànye nime Jerusalem, site n'olu itimkpu ọñụ nke ọtụtụ igwè mmadụ naeti, obi siri ndị náesoụzọ Ya ike na oge ahụ abịawo nso mgbe Ọ gaakpọsa Onweya, dịka Eze ndị Ju. Ugbu a ha gaahụ́ mwedan'ala nke ndị Rom, ma ha onweha gaachụpụ ndị ọchịchị ha niile. Ònye maara ụdị obi ilu ha gaenwe mgbe emere ka olileanya ha daa ngwangwa ha batara nime Jerusalem hụ́ na Jisọs akpalighị esemokwu ọ bụla! Kama nke ahụ, tupu otù izuụkọ naagabiga, O nyefeworị Onweya n'aka ọnwụ nke obe.

N'ụzọ Emeus, mgbe akpọgidesịrị Ya n'obe, anyị hụrụ mmadụ abụọ n'etiti ndị náesoụzọ Ya ka ha ji ọnụma náakọ akụkọ banyere olileanya ha nke funarịrworo ha. Ha sịrị: "Ma ayi onwe-ayi lere anya na Ya onwe-Ya bu onye gaje igbaputa Israel" (Luk 24:21); ma ugbu a Ọ lawo ọ dịghị kwa alaeze ọ bụla amaliteworo!

**Alaeze Nke Kraist**

Ma òlee ihe banyere Alaeze nke Kraist? Ya Onweya ekwuworị na Ya bụ̀ Eze; ma onyeeze aghaghị inwe alaeze. Òlee ndị mgbe ahụ, bụ̀ kwa ndị ahụ mejupụtara alaeze ahụ bụ́ ndị náenye Jisọs nsọpụrụ ha?

Jọn onye ọwụmmiri amawo ọkwà sị, "Chègharianu n'ihi na ala-eze elu-igwe di nso" (Matiu 3:2). Ọ̀ gaabụ̀ na o hiere ụzọ? Jisọs Ọ̀ rapụrụ ụwa nke a dịka Onye emeririemeri? É-è, ọ bụghị otú a! Alaeze ahụ enwewo mmalite ya; atọwo kwa ntọala nke Ọchịchi nke Puku arọ ahụ, oge ahụ nke náabịa kwa mgbe Jisọs gaabụ̀ Eze "Ọ gēji ezi-omume kpe ndi nēnwegh ike ikpe, ọ gēji kwa izi-ezi ba nba bayere ndi di ume-ala n'obi n'uwa: ọ gēji kwa ndele nke ọnu-Ya tigbue uwa, ọ gēji kwa iku-ume nke egbugbere-ọnu-ya abua me ka ndi nēmebi iwu nwua" (Aisaia 11:4). Jisọs nọrị n'ụwa náachịkọtara Onweya ndị ahụ gaebi na Alaeze eluigwe; ma mgbe Ọ laghachịri n'Eluigwe, O nyere ndị náesoụzọ Ya iwu nke ịga n'ụwa niile kpọọ mmadụ niile òkù baa ná nchègharị ka ha wee nweeike iketa òkè n'alaeze eluigwe. "Ọ buru na amugh madu ọzọ, ọ pugh ihu ala-eze Chineke anya" (Jọn 3:3). Ya mere ndịozi ahụ, mgbe ha natasịrị ike nke Mmụọ Nsọ n'Ụbọchị Pentikọst, pụrụ kwusaa ozi nke nzọpụta nke pụrụ ịkwadobe ndị nketa nke alaeze eluigwe. Ezigbo ndịozi nke Chineke taa nọ kwa náekwusa otù ozi ahụ, "Aghagh imu unu ọzọ," Mmụọ Nsọ nke Chineke naerita kwa ọtụtụ mkpụrụobi nke ụmụmmadụ nye Eze nke Ebube Onye gaje ịbịa n'ụwa nke a ọzọ ka Ya na ndị nsọ Ya chịa Puku arọ.

**Itokọta N'otù**

Mgbe Jisọs gwara ndị náesoụzọ Ya okwu banyere átá na ọkà ahụ, Ọ sịrị na nnanweụlọ ahụ gwara ndịorù ya ka ha rapụ átá ahụ ka ha na ọkà náetokọta rue mgbe owuweiheubi. Mgbe ahụ ọ gaenye ndị náewe iheubi iwu ka ha

chịkọta átá ahụ kee ha n'úkwú dị iche tụba ha nime ọkụ ka o wee rechapụ ha. Mgbe ahụ ka agaeme ka ọkà ahụ dị ọcha ka ewe chịkọbaa ha n'ọbá ka ewere ya mee ihe.

Jisọs sịrị na ezi mkpụrụ ahụ bụrị ụmụ Alaeze, ebe átá ahụ nọchịrị anya ụmụ nke Ekwensu. Ọ gaghị ewepụ ndị nke Ya n'ụwa ngwangwa azọpụtara ha, kama ha ganaebi n'etiti ndị mmehie rue oge owuweiheubi mgbe Ọ gaeziga otù mmụọozi ka o kewapụta ndị ezi mmadụ site ná ndị ọjọọ. Ndị ahụ nwụrụanwụ ka agaeme ka ha si n'ọnwu bilie, agaekewa kwa ha n'otù aka ahụ dịka ekewara ndị dị ndụ ị hụ́ ọgwụgwụ nke ụwa. "Onye-nwe-ayi matara idọputa ha n'ọnwunwa, bú ndi nāsọpuru Chineke, na idebe ndi ajọ omume n'ahuhu-nmehie rue ubọchi ikpé" ( 2 Pita 2:9).

**Mkpụrụ Nke Mmụọ Nsọ**

Ma eleghịanya ụfọdụ nime "átá ahụ" ganaeme ka ha bụ̀ ndị Kraist. Mgbe ihe ọkụkụ ahụ dị ntà, mmadụ apụghị ikwu ihe dị iche n'etiti ha, ma mgbe mkpụrụ ahụ malitere itó, ndị ahụ matara na o nwere ahịhịa dị iche náetò n'etiti ọkà ahụ. Anyị matara na ndị Farisịị bụ̀ ndị óké okpukpé ma náakpọ kwa onweha ụmụ nke Abraham, ma n'ihi na ha nwere mmehie nime obi ha Jisọs gwara ha, "unu onwe-unu sitere ná nna-unu bụ́ ekwensu" (Jọn 8:44). N'oge ọzọ Jisọs kwuru, "Unu gēsite ná nkpuru ha mazu ha" (Matiu 7:16). Nke ahụ pụtara na ị pụrụ ikwu ndị bụ́ ụmụ nke Alaeze eluigwe na ndị bụ́ ụmụ nke onyeiro ahụ site n'otú ha si eme omume ha. Ụmụ nke Alaeze Eluigwe nwere omume ndịa eji mara ha. "Nkpuru nke Mọ Nsọ bu ihu-n'anya, ọñu, udo, ogologo-ntachi-obi, obi-ọma, idi-nma, ikwwesi-ntukwasi-obi, idi-nwayọ, imeru-ihe-n'ókè" (Ndi Galetia 5:22, 23).

**Ịnụọkụ N'ọbi Náabaghị Urù**

O wutere ndị orù nke nnanweụlọ ahụ ịhụ́ na átá naetò n'etiti ọkà ahụ, ha wee chọọ iropụ ha niile náetufughị oge. Átá bụ̀ osisi náabaghị urù nke náaghanye onweya gburugburu ezi osisi, mee kwa ka ọ bụrụ ihe siri nnọọ ike iropụ náání ya náeropụkọghị ya na ọkà.

Anyị gụrụ n'akụkọ chọọchị nke oge garaaga mgbe ndị óké okpukpé na anụsi ọkụ n'obi ike n'okpukpé ha náegbuchasị onye ọ bụla ná ekwenyeghị n'ihe ha kwere. N'oge nke Kraist, mgbe ndị Sameria jiri ịkpọasị jụ Jisọs ndị náesoụzọ Ya chọrọ ịkpọdata ọkụ site n'eluigwe ka o rechapụ ha, ma Jisọs baara Jemes na Jọn mbà sị na Ya abịaghị ịla ndụ mmadụ n'iyi, kama ịzọpụta ha (Luk 9:52-56).

Átá na ọkà nọrị náetokọta mgbe ahụ, ma ha ga kwara n'iru náeme otú a. Mgbe oge nke ọgwụgwụ ụwa gaabịa, oge mgbe agaerechapụ átá n'ọkụ̀, nime ọkụ̀ náereere, Jisọs ga "nābọ ọ́bọ̀ n'aru ndị nāmatagh Chineke, ha na ndị nāñagh ntị ozi-ọma nke Onye-nwe-ayi Jisus Kraist bú madu ndi gāhu ahuhu nmehie bú nbibi ebigh-ebi nke sitere n'iru Onye-nwe-ayi" (2 Ndi Tesalọnaika 1:8, 9).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị ka ezi mkpụrụ ahụ nọchiri anya ya?
2. Òlee ndị bụ̀ átá ahụ?
3. Rue oge ra añaa ka ọkà ahụ na átá ahụ gaetokọta?
4. Òlee otú anyị gaesi ghọọ ndị nketa nke Alaeze eluigwe?
5. Ònye bụ̀ Eze ahụ?